# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH,
# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 15TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR B)
## SUNDAY, JULY 14, 2024

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **LORD I LIFT YOUR NAME ON HIGH** |
| **OFFERTORY:** | **WERE ONYINYE DI MMA KELEE CHUKWU** |
| **CONSECRATION:** | **EZI CHUKWU NARA AJA** |
| **COMMUNION:** | **DINWENU M, JESU KRISTI….** |
| **POST COMMUNION:** | **O SACRAMENT MOST HOLY** |
| **DISMISSAL:** | **TIENU MKPU OÑÙ** |

**UKWE MBATA**

Ma mụ onwe m, ụgwọ ọrụ eziomume ga-abụ ihụ, ihu gi; aga m ejuputa n'aṅụrị ịhụ ihu gi. (Ps. 16:15)

**EKPERE NMEGHE**

O Chuwku, ngi gosiri ndi nke gi na-ejefie ụzọ ihe nke eziokwu gi, ka ha wee chighaazụ n'ụzọ nke eziokwu, biko, nye ndi nke gi bụ ndi agụnyere dịka ndi otu Kristi site n'okwukwe nke ha kwuputara, grasịa ha ga-eji na e zere ihe ọbụla na-egbu okwukwe, ka ha wee na-agbaso ihe niile na-eneyere ya bụ okwukwe aka.

**IHE ỌGỤGỤ NKE MBỤ: (AMỌS 7:12-15)**

*Ihe ọgụgụ e wetara n'Akwụkwọ onye Amụma Amọs.*

***Isi Okwu: Gaa buoro ndị nke m Izrel amụma.***

Amazia, Onye nchuaja nke Betel wee si Emos: "Nwa-ohu-uzo, ngwa laa. Gbalaa n'ala Juda. Gaa ebe ahu buwe amuma bute ihe I ga-eri. Ma e bukwala amuma ozo na Betel n'ihi na o bu ebe nchuaja nke eze, biakwa buru ulo nso nke onye eze. Ma Emos zara Amazia si:
Abughi m onye amuma. Esoghikwa m n'otu ndi amuma. Abu m onye nche aturu na onye na-acho osisi sikamo mma. Ma Onyenweanyi kpooro m ebe ma na-eso igwe aturu wee si m: "Gaa buoro ndi nke M bu Izrel amuma."

*Okwu Nke Oseburuwa.*
*Ekele diri Chukwu.*

**ABỤỌMA NA AZIZA (ABU 84:9-14. AZ.8)**

*Azịza: Onyenweanyi, mee k'anyị hụ obi oma Gị. Nyekwa anyị nzọpụta Gị.*

1. Aga m anụ ihe Onyenweanyi Chineke ga-ekwu, n'ihi na O ga-ekwuputa udo maka ndi nke Ya. N'ezie nzoputa Ya di ndi na-aturu Ya egwu nso. Ebube Ya bi ebi n'ala anyi. (A)

2. Obioma na eziokwu ga-ezukota. Ikpe nkwumoto na udo esutula onu. Eziokwu ga-esi n'ala epulite. Ikpe nkwumoto wee si n'eluigwe na-eledata anya anya. (A)
3. Onyenweanyi ga-emere anyi amara. Ala anyi ga-amita ihe mmaji kwuru mmaji. Ikpe nkwumoto ga-ebute uzo na-aga. Nzoputa wee na-esota na nzo ukwu ya. (A)

**IHE ỌGỤGỤ NKE ABỤỌ (NDỊ EFESUS 1:3-14)**

*Ihe ọgụgụ nke a si n'Akwụkwọ ozi Pọl di aso degaara ndị Ndị Efesus.*

*Isi Okwu: Tupu Chineke atoo ntoala, O hoputala anyi.*

Ekele diri Chineke na Nna nke Onynenweanyi, Jesu Kristi. N'ihi na O sitere n'ebe kachasi elu nke eluigwe, were ngozi nile nke Mmuo Nso, gozie anyi n'ime Kristi. Tupu Chineke atoo ntoala uwa, O hoputara anyi n'ime Kristi ibu ndi nke Ya; ka anyi wee diiri Ya nso, burukwa ndi n'enweghi ntupo n'ihu Ya. N'ihi oke ihunanya Chinkek, O kara ya aka na mbu, na Ya ga-eme ka nyi buuru Ya umu, site n'aka Jesu Kristi. Nke a bu ochicho Ya na otu osi di Ya mma n'obi. Ya mere, ka anyi toonu Chineke n'ihi amara Ya di ebube, nke O wukwasiri anyi n'efu n'ime Nwa Ya O huru n'anya! Ejiri Obara Kristi gbaputa anyi n'ibu ohu. O bukwa n'ime Kristi ka a gbaghaara mmehie anyi nile. Uba amara nke Chineke nyere anyi ebuka! O jiri oke amamihe mee ka anyi ghatazuo ihe omimi ahu; nke bu atumatu O kwadebere na Kristi. [O bu n'ime Kristi ka a hooro anyi. N'ihi na site na mbu Chineke kara ya aka, biakwa hoputa anyi na anyi bu ndi o manyerela inye Ya otito, ebe o bu na anyi bu ndi mbu chekwubere na Kristi. Chineke ji aka Ya na-emezu ihe nile, dika ntuputa na nzube nke ochicho Ya si di. O bukwa n'ime Kristi ka a hooro unu, mgbe unu nuru okwu nke eziokwu ahu na mbu, bu Ozioma nke wetaara unu nzoputa, nke putara na unu kwesiri ike na Kristi. Chineke jikwa Mmuo Nso, nke O kwere anyi na nkwa, kaa unu akara. Mmuo Nso n'onwe Ya bukwa Onye ga na-ahu na anyi nwetazuru ihe nile Chineke kwere anyi na nkwa ruo mgbe Chineke gbaputasiri ndi nke Ya, ka e wee too ebube Ya].

*Okwu nke Oseburụwa.*
*Ekele diri Chukwu.*

**ALELUYA!(JN 10:27)**

Aleluya, aleluya! Onyenweanyi kwuru si: 'Aturu M na-anu olu M. Amara M ha. Ha na-esokwa M. Aleluya!

**OZIỌMA (MAK 6:7-13)**

*Ihe ọgụgụ nke a si n'Oziọma dị aso nke Mak dere.*

*Isi Okwu: Ọ malitere izipụ ha.*

7Jesu kpọrọ ndị ụmụazụ iri na abụọ wee malite izipu ha abuo, abuo; wee nye ha ike ichupu na imeri ndi mmuo ojoo nile. O duru ha odu ka ha ghara iji ihe o bula n'ije ha, ma obughi nani mkpa n'aka. O si ha ebula nri, ma o bu akpa onye ije, ma o bu wunye ego n'akpa ego ha je n'ukwu. Ma O si ha yiri akpukpo ukwu, ma onye achikwala uwe ime abuo. O gwakwara ha si: "Ulo o bula unu huru onwe unu n'ime ya, birinu n'ebe ahu, ruo mgbe unu hapuru obodo ahu. O buru na ndi bi n'obodo o bula anabataghi unu; o burukwa na ha aju iña nti n'okwu unu, mgbe unu na-apu n'ebe ahu, tichapunu aja di n'obu-ukwu unu, ka o buru ihe ga-agba ha akaebe n'isi. Ha wee palie ije, na-ekwusa mkpa o di na mmadu dum ga-echeghri. Ha chupuru ndi mmuo ojoo, were mmanu tee otutu ndi oria, wee mee ka ha nweta ahu mgbasike.

*Oziọma nke Oseburụwa.*
*Otito diri Gi, Kristi.*

**EKPERE NHUNYE**
Nara, O Osebrụwa, onyinye ndia n'aka Nzukọ gi. Biko, mee ka ndi niile kwerenu, bu ndi na-anata ya, na-abawanye n'idi asọ.

**UKWE ORIRI NSỌ**
Obere nnunu achọtagoro onwe ya ụlọ. Eleke achọtago akwụ ebe ọ ga-edebe ụmụ ya n'akụkụ ebe nchụaja gi, O Osebụrụwa nke igwe ndi agha. Ngozi diiri ndi bi n'ụlọ gi wee na-enye gi otito oge niile.

**EKPERE ANATACHA ORIRI**
Ebe anyị natasigoro onyinye gi ndịa, anyị na-arịọ gi, Ọ Ọsebụrụwa, ka I mee ka anyị na-abawany na grasịa nke nzọpụta site n'ihe omimi ndia anyị na-eme emume ya oge niile.